IVADO

Initiative IA + Société / AI + Society

# AI n'oge ntuliaka

## Ụzọ anọ a ga-esi chekwaa ntuliaka ma kpuchite ọchịchị onye kwuo uche ya[1]

Catherine Régis, Florian Martin-Bariteau, Jake Okechukwu Effoduh, Juan David Gutiérrez, Gina Neff, Carlos Affonso Souza and Célia Zolynski

## Ihe mere AI na Ntuliaka ji bụrụ isiokwu dị oke mkpa

O teela teknọlọjị jiri malite imetụta ntuliaka, ma n'ụzọ dị mma ma n'ụzọ ọjọọ, na-emetụta mpụtara ha nakwa ogogo mkparịtaụka ọhanaze gbasara ha.. Iji maa atụ, ịntaneetị na-enye ndị mmadụ ohere ịhazi ihe nke ọma, na-enyekwa ha ikike ịkpọ oku maka ebumnobi dị iche iche, mana ọ bụ ụzọ gbara ọkpụrụkpụ maka ifesa ozi ụgha.

Mmalite amamịihe nwa Bekee a kpọrọ Artificial Intelligence (AI) ewepụtala ihe iyi egwu ọhụrụ gụnyere mmụba onyonyoo adịgboroja, enweghị nchekwa nke ịntaneetị na-arị elu nakwa akara adịgboroja dị iche iche. N'otu aka ahụ, AI na-arọpụtara ndị na-egwu ndọrọndọrọ ọchịchị akụrụngwa gbara ọkpụrụkpụ ha na ndị ga-atụ vootu ga-eji mata onwe ha, kpalite ucheobi ọhanaeze ma metụta ogogo mgbasaozi. Site n'ịrụtụ aka n'usoro e si ahazi ntuliaka, AI nwere ikike ịhazighari usoro ọchịchị onye kwuo uche ya ma metụta mpụtara ntuliaka. Ka o sinadị, ọ bụrụ ma amaghị ihe e mere, AI nwereike ịmụba ihe ndapụta ndị ahụ na-amapụ obi dịka ibudata ntụkwasịobi n'ebe ọchịchị onye kwuo uche ya nọ. Gọọmenti dị iche iche kwesịrị ịzọpụ njem gbasara AI ọkachasị n'oge ọchịchị onye kwuo uche ya na mbaụwa na-agabiga ihe aka mgba dị iche iche nakwa mwakpo megide ntuliaka ha. Site n'itinye atụmatụ dị iche iche, ha ga-ewulite usoro ọchịchị onye kwuo uche ya, kwalite ntụkwasịobi ọha obodo ma hụkwa na e jiiri AI mee ihe n'ụzọ kwesịrị ekwesị iji kwalite ntụkwasịobi ntuliaka.

## Ihe Mmụta

- Ọmụmaatụ ndị e nwetara na nso nso a na mba Brazịl, Romanịa, Gabọn, Amerịka na mba ndị ọzọ na-egosi ka AI ndị na-egwu ndọrọndọrọ ọchịchị ji eme ihe pụrụ isi bibie ntụkwasaozi ntuliaka na ọchịchị onye kwuo uche ya.
- Oge ụfọdụ, mba dị iche iche anaghị adị nkwadobe makai he ịmaaka sitere na AI: ụfọdụ mba enweghị iwu na-achịkọta AI na ntuliaka, otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche enwebeghị nkwekọrịta gbasara ụzọ kwesịrị ekwesị e si ahazi ntuliaka n'ọgbọ AI, dịkwa ka ụfọdụ ụlọikpe apụghị imegide mwakpo ndị e ji AI mee n'usoro ọchịchị onye kwuo uche ha.
- Anyị na-atụ aro ihe anọ a pụrụ ime: Gọọmenti kwesịrị imeghari iwu ntuliaka (ịmaatụ, iji kwụsị ihe ndị e ji AI mepụta na-eduhie ndị mmadụ ụzọ); otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche kwesịrị ịnabata iwu na usoro akparamaagwa nke ga-edo ha anya gbasara ụzọ kwesịrị ekwesị e si eji AI eme ihe maka ndọrọndọrọ ọchịchị; ụlọorụ ndị na-ahazi ntuliaka kwesịrị ihibe otu ndị kwụụrụ n'onwe ha iji gbochie ma leba anya n'ịgwa aka ọbụla e ji AI mee; gọọmenti kwesịkwara ihibe otu ga-echekwa ntụkwasịobi ntuliaka maka AI n'ogogo mbaụwa, iji buo agha megide ịnọ na mba manye aka na mba ọzọ.

# Etu AI si eyi egwu megide ntuliaka na ọchịchị onye kwuo uche ya

E nwere ọtụtụ ụzọ iji AI eme ihe site n'aka ndị na-egwu ndọrọndọrọ ọchịchị - ma n'obodo anyị ma na mba ndị ọzọ - pụrụ isi bibie ntụkwasịobi ntuliaka na ọchịchị onye kwuo uche ya.

Iji maa atụ, ntuliaka a haziri na Brazịl n'ọnwa Ọktoba, afọ 2024. Nchọcha Digital Forensic Research Lab mere chọpụtara na n'ime ọnwa isii tupu ụbọchị ntuliaka, ndị na-egwu ndọrọndọrọ na mba ahụ maọbụ ndị na-akwado ha ji AI mepụta foto adịgboroja, ụdaokwu maọbụ onyonyoo ihe ruru ugboro iri asaa na ise iji kwalite onwe ha na ndị ha na-akwado ma megide ndị na-agba ha ụkwụ. Ụmụnwaanyị ise ka e mekpara ahụ site n'onyonyoo ndị gba ọtọ na-abụghị eziokwu,[2] ọnọdụ na-eme ka obi daa ụmụnwaanyị mba oge ụfọdụ ịbanye n'ọkwa n'obodo.[3]

Ụlọọrụ nchekwa mba Romanịa wepụtara ozi n'ọnwa Disemba, afọ 2024 na Rọshịa lekwasara mba ahụ anya na mbọ ha na-agba itinye aka na ntuliaka onyeisiala ha. Na mbụ, Rọshịa ji 'far-right, nke bụ ozi ụgha Rọshịa na-akwado nakwa onyonyoo e ji AI rụpụta ma kesaa na soshal midịa nakwa akara AI dị iche iche. Nke abụọ, site n'enyemaka AI (bụ nke pụrụ inye aka rụpụta akụrụngwa ọjọọ na-ebibi nchekwa ịntaneetị), e kwuru na Rọshịa haziri mwakpo dị puku iri asatọ na ise (85,000) megide ụlọọrụ Romanian Permanent Electoral Authority iji nweta ohere banye n'ọbaozi ha. Mmanye aka Rọshịa mere ka ụlọikpe na-ahụ maka ụkpụrụ iwu nke mba Romanịa kagbuo agba nke mbụ nke ntuliaka onyeisiala ahụ.[4]

N'oge achụmntavootu mba Gabọn n'afọ 2023, e nwere ọgbaaghara dịka ndị pụtara ịtụ vootu onye ọbụla kpụ n'ọnụ - nke onyeisiala, nke ndị omeiwu na nke okpuruọchịchị. Dịka a na-achọ ịpịakọta achụmntavootu ahụ, ụdaolu mmadụ malitere ifesa ebe niile bụ nke nwere olu mmadụ abụọ gbapụtara ihe na-agba gọọmenti ụkwụ ebe ha na-akpa maka atụmatụ, mgbakọaka na nkwado si mba ndị ọzọ. Onyeisiala nọ n'ọchịchị boro ndị na-agba ya ụkwụ ebubo "ịkpalite ọgbaaghara," ebe otu jikọtara ndị na-agba gọọmenti ụkwụ katọrọ ụdaolu ahụ dịka "nke e ji AI mee." Ihe ahụ mere na Gabọn rụtụrụ aka etu AI na-esi emeghasị ucheobi ọhanaeze, na-eme ya ka ọ bụrụ ihe siri ike ndị na-atụ vootu ịchọpụta nke bụ eziokwu na nke bụ adịgboroja.[5]

N'ikpeazụ, ndị ọkachamara anwaleela ọdịdị AI dị iche iche n'oge achụmntavootu maka ntụliaka onyeisiala Amerịka nke afọ 2024 n'etu ha siri gbalịa inye ozi dabara adaba gbasara ntuliaka. Nnwale ndị a gosiri iri mperi nyere ozi dị iche iche n'asụsụ dị iche iche nakwa n'etiti ụlọọrụ AI dị iche iche ndị kwuputara njikere ha dị ịhụ na e zipụrụ nanị ozi ndị bụ eziokwu gbasara ntuliaka nakwa etu ọdịdị nke ha si arụ ọrụ.[6]

Ọmụmaatụ ndị a na-egosi adịchaghị njikere nke mba dị iche iche na gọọmenti izute ihe aka mgba nke AI. Anyị na-atụ aro gbasara ụzọ a ga-esi gbochie ma gbalahụ mmetụta ọjọọ nke teknọlọji nyere ntuliaka.

***Ntuliaka obodo ka AI kachasị emetụta, n'ihi na ọchịchị onye kwuo uche ya nke obodo ọbụla anaghị enwe akụ na ngwongwo ndị ha pụrụ iji chekwaa onwe ha nke ọma oge ụfọdụ.***

## Ihe aka mgba nke mbụ
# Ọtụtụ gọọmenti anabatabeghị iwu ga-achịkọta ka e si eji AI eme ihe na ntuliaka

Enweghị iwu doro anya nke na-achịkọta ka e si eji AI eme ihe n'oge ntuliaka ekepụtala ọnọdụ amaghị nke a ga-eme, mee ya ka ọ na-esiri ndị ọchịchị ike ikwuputa ntaramaahụhụ maọbụ zọpụ njem megide ndị na-emetọ ya.

Ọtụtụ iwu ntuliaka gburugburu ụwa bụ ndị a nabatara kemgbe ọtụtụ afọ tupu ewepụta AI ka ọ bụrụ ihe ọhanaeze ji eme ihe. Iji maa atụ, ọtụtụ iwu enweghị nkọwa gbasara "synthetic media" maọbụ "ihe ndị e ji AI mepụta" ma daakwa mba ịkọwa njedebe ha na ntuliaka.

Ụlọ omeiwu ole na ole anabatala maọbụ kpaa gbasara atụmatụ iwu ntuliaka nke ga-eleba anya

n'aka mgba AI na-eweta n'oge ntuliaka. Iji maa atụ, na mba United Kingdom, iwu ha ndị megidere nkwuto lekwasara anya n'ichekwa ụmụmmadụ n'okwu asị mana ha edoghị anya n'ihe gbasara foto maọbụ onyonyoo adịgboroja.[7]

Iwu ndị achịkọtara ọnụ n'ụzọ doro anya dị ezigbo mkpa iji hụ na e nyere ezi ngụkọ, kwalite nkwụbaakaọtọ ma hụkwa na a gbatara ọsọ enyemaka n'oge. Site n'imechi oghere ndị a, ndị ọnụ na-eru n'okwu nwere ike rọpụta nchekwa ndị ga-ejigide ntụkwasịobi nke ụkpụrụ ọchịchị onye kwuo uche ya ma belata enweghị nchekwa na-arị elu e ji mara ihe ịmaaka AI n'oge ntuliaka.

## Ihe nke mbụ a ga-eme **Gọọmenti kwesịrị imegharị iwu ntuliaka**

Gọọmenti mba dị iche iche kwesịrị ịkwalite iwu ntuliaka iji hụ na ndị na-egwu ndọrọndọrọ ọchịchị, otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche na ụlọọrụ teknụzụ, tinyekwara ndị na-atụ vootu, maara nke ọma:

- etu a pụrụ isi were "synthetic media" mee ihe n'oge ntuliaka;
- ngalaba ọrụ AI a machibidoro maọbụ belata n'oge ntuliaka; nakwa
- etu a pụrụ isi nye ntaramaahụhụ ọ bụrụ ma a chọpụta ụzọ e siri bibie iwu ntuliaka.

Iji hụ na amachighị nnwereonwe nziritaozii nke ndọrọndọrọ ọchịchị, iwu ntuliaka ọhụrụ kwesịrị ịdị nhatanha nyere ize ndụ ndị ha na-achọ igbochi.

Ụlọọrụ ndị kwụụrụ na nke onwe ha na-elekọta AI n'oge ntuliaka ga-achọ ndị maara nke ha riri n'okwu teknụzụ na nkwado ego iji tinye iwu ndị a n'ọrụ dịka o si kwesị.

Ụlọikpe kwesịrị iwepụta nkọwa doro anya gbasara ọkpụrụkpụ okwu ndị dịka "synthetic data, generative AI, generative AI content na ozi ndị na-eduhie ụzọ ma tuleekwa mkpa ọ dị imegharị ụfọdụ akụkụ iwu ndị nke ha nwere ugbua.

Na mgbakwunye, ha kwesịkwara itule ịnabata iwu ndị a dị oke mkpa:

- E kwesịrị ịnabata mmachi megide iji eme ihe, ibipụta, inyocha maọbụ ifesa ozi ndị na-eduhie ụzọ e ji AI mepụta iji gwaa ntụliaka aka. Ịmaatụ, gọọmenti kwesịrị itule ịmachibido iji foto e ji AI mepụta, onyonyoo maọbụ ụdaolu ndị na-egosipụta ndị na-azọ ọkwa maọbụ achụ nta nkwado n'ụzọ adịghị mma maọbụ etu na-eduhie ụzọ maọbụ nke na-amụba ozi ụgha maka onye na-azọ ọkwa, achụ nta nkwado maọbụ ụkpụrụ ntuliaka.
- Ndị na-egwu ndọrọndọrọ ọchịchị na otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche kwesịrị irubeisi n'ọrụ nkwụbaakaọtọ ha nwere dịka igosipụta na ha ji AI mepụta foto, ụdaolu na onyonyoo ndị ha ji mee ihe, ndị ha nyochara maọbụ fesaa n'oge ntuliaka. Iji kepụta maọbụ kwalite ngosi ndị ahụ, gọọmenti kwesịrị ime nnyocha sayensị ma chịkọta ozi ndị ha nwetara n'aka ọhanaeze. Ngosi ndị ahụ kwesịrị ịdị mfe ka ndị mmadụ ghọta ha tinyere itule mpaghara ndị dịka ọdịdị, mmejupụta okwu, ogogo, oge, ọnọdụ nakwa mgbe.
- Gọọmenti ga-ekwe ka ọbaozi ịntaneeti dị iche iche tinye atụmatụ ngosi ndị ahụ n'ọrụ maka ọkwa ndọrọndọrọ e ji AI mepụta nakwa ikepụta ma leba ezigbo anya n'iwu nhazi ihe ngosi iji belata ikesa ozi ọjọọ e ji AI mepụta.

> ***Iwu ntuliaka kwesịrị imetụta chatbots, nke nwereike imepụta ozi ụgha gbasara mpaghara ntuliaka dị mkpa, dịka ebe e nwere ogige ntuliaka, akwụkwọ ndị a chọrọ iji binye aka maọbụ nchịkọta agwa mpụ ndị na-azọ ọkwa.[8]***

## Ihe aka mgba nke abụọ

# Otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche enwebeghị nkwekọrịta gbasara ihe mejuputara ntuliaka na-enweghị nrụrụaka n'ọgbọ AI

Otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche na ndị na-azọ ọkwa nwereike dabere n'akụrụngwa AI ugbua iji kepụta ozi ụgha tara akpụ, mepụta ozi ndị na-eduhie ụzọ, zigaara ndị ga-atụ vootu ozi ụgha maọbụ duhie ọhanaeze ụzọ site n'akara adịgboroja.

E wezuga nlekọta, usoro doro anya maọbụ ụkpụrụ ọrụ dabara adaba, ihe ize ndụ dị na otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche nwere ike iji AI mee ihe n'ụzọ ọ ga-esi tinye aka n'ibelata ntụkwasịobi onye ga-atụ vootu, ifesa ozi ụgha nakwa imetụta mpụtara ntuliaka n'ụzọ na-ezighị ezi.

E wezuga iwu ndị a nabatara, otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche nwereike iji mmanye mụbaa ụzọ ha si eji AI eme ihe iji zere ịda n'azụ ndị ha na-ama aka. Igwu ndọrondọrọ ọchịchị nwereike iweta ọnọdụ ebe otu ndọrọndọrọ ọchịchị ga-etinye uche na AI iji nweta mmeri n'ụdọ ọbụla karịa ijigide ntụkwasịobi nke ntuliaka.

## Ihe nke abụọ a ga-eme

# Otu ndọrọndọro ọchịchị dị iche iche kwesịrị ịnabata iwu na usoro akparamaagwa dịka ụzọ mmalite maka ịnabata omume ndọrọndọrọ ọchịchị n'ọgbọ A

Iwu na usoro bụ nke nwere ebumnobi ime ka ndị na-egwu ndọrọndọrọ ọchịchị nyefechaa onwe ha ịhụ na e nwere ntuliaka na-enweghị nrụrụaka site n'ịnabata ụfọdụ omume maọbụ izere ndị nke ọzọ. Iwu na usoro akparamaagwa gbasara AI bụ nke na-akwado nkwụbaakaọtọ na ezi omumen'iji teknọlọji a mee ihe maka ntuliaka.

Ụdị iwu dị etu ahụ nọ n'ụfọdụ obodo. Iji maa atụ, n'afọ 2023, oati mba Swizaland ise nyefere onwe ha ịhụ na ha kwụbara aka ọtọ n'iji AI mee ihe na-abụghị iji ya mee ihe n'ụzọ mmegide.. Maka ntuliaka ndị omeiwu Yurop nke afọ 2024, pati mba Yurop niile jikọtara aka kwadoo iwu na usoro ma kepụta iwu gbara ọkpụrụkpụ na-achịkọta ụzọ e si eji AI eme ihe. Mba ndị dịka UK na obodo ndị dị ya n'ime ahụtala mbọ a na-agba imepụta ụdị iwu dị etu ahụ.

Iwu na usoro akparamaagwa gbasara iji AI eme ihe maka ntuliaka kwesịrị ime ka ptu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche:

- **ghara iji akụrụngwa AI mepụta ihe ndị ga-eduhie ndị ga-atụ vootu ụzọ;**
- **tinye ngosi doro anya oge pati ha ji AI mee ihe n'ụzọ ọ gaghị ebute nsogbu (ọ bụrụ ma eleba anya n'oghere iwu a rụrụ aka na mmalite nakwa mkpa ajụjụ a dị);**
- **ghara ịmụba ihe maọbụ ozi na-eduhie ụzọ, ma kwuputa omume ọjọọ n'ụzọ mbipụta maọbụ mmụba ozi ndị na-eduhie ụzọ;**
- **wepụta ụkpụrụ doro anya nakwa ezi ọzụzụ maka ndị ọrụ pati, ndị otu, ndị na-achụ nta nkwado nakwa ndị nkwado gbasara ụzọ e si eji AI eme ihe maka achụmntavootu;**
- **wezuga onwe ha n'imepụta, iji maọbụ ikesa ozi ndị na-eduhie ụzọ tinyere akara adịgboroja, automatic bots maọbụ chatbots maka ịgbanwe ucheobi onye ga-atụ vootu;**
- **ịnabata "usoro nchịkọta" maka chatbot ha iji hụ na ha nyere ndị ji ịntaneetị eme ihe ntuziaka ka ha gaa ebe ha ga-enweta ozi rijuru afọ maka ntuliaka; nakwa.**
- **inyefe onwe ha n'ọrụ nlekọta, nnyocha nakwa nnyochagharị etu ha si jiri AI na akụrụngwa AI mee ihe n'oge ntuliaka.**

## Ihe aka mgba nke atọ
# Ụfọdụ obodo adịghị njikere maka mwakpo ndị e ji AI mee na ntuliaka nakwa usoro ọchịchị onye kwuo uche ya

Gọọmenti dị iche iche ewepụtala usoro ndị ha ga-eji buo agha megide ihe ọdachi ụwa, ọgbaaghara nakwa ọrịa zuru ụwa. Ka o sinadị, ọtụtụ gọọmenti adịbeghị njikere ibu agha megide mwakpo e ji AI eme megide ntakwasịobi ntuliaka na usoro ọchịchị onye kwuo uche ya nke mba ha.

Ibu agha megide iyi egwu ndị gbakwasara ụkwụ na AI megide ntụkwasịobi ntuliaka bụ ihe aka mgba nwere ngalaba dị iche iche.

Nke mbụ, oge ụfọdụ gọọmenti anaghị enwe usoro nleba anya iji chọpụta ozi ụgha e ji AI mepụta, onyonyoo adịgboroja nakwa ihe ndị ọzọ na-emegide usoro ọchịchị onye kwuo uche ya. Oghere amamịihe a bụ nke ihe na-amụba ya bụ enweghị ezi mgbakọaka n'etiti ndị ọnụ na-eru n'okwu dịka ngalaba ụlọọrụ gọọmenti, ọbaozi soshal midịa dị iche iche, ụlọọrụ ndị ọhụrụ na out jikọtara ụmụ amaala. Ọ bụrụ ma a chọpụta ihe ndị a na-enyo enyo, anaghị enwecha usoro doro anya e ji ekesa ozi maọbụ chịkọta ọsịsa.

Nke abụọ, ọtụtụ ndị ọrụ na-ahazi ntuliaka enweghị amamịihe AI ndị a chọrọ iji chọpụta ndịiche iyi egwu dị iche iche, nke mere ka bụrụ ndị amaghị ihe ha ga-eme. Oghere a na-agbasa n'usoro ọchịchị onye kwuo uche ya niile oge ụfọdụ. Ịmaatụ, ndị ọrụ ntuliaka na ndị na-ahụ ka ntuliaka si aga anaghị enweta ọzụzụ zuru oke gbasara iyi egwu ọlọrọọhụrụ dịkwa ka ọ pụrụ isiri ha ike ịsa ajụjụ ndị na-atụ vootu gbasara ihe ndị e ji AI mepụta.

Nke atọ, ngalaba ụlọọrụ gọọmenti dị iche iche anaghị enwecha akụrụngwa teknụzụ, ndị ọkachamara na ihe niile a chọrọ iji leba anya ma buo agha megide mwakpo AI nke ọma. E wezuga ihe ndị a, obodo dị iche iche ga-abụ ndị amanyere ịzaso ọnọdụ dị etu a dabere ka ha siri chọo karịa itinye ụkpụrụ nchekwa dị iche iche n'ọrụ.

## Ihe nke atọ a ga-eme
# Ndị na-ahazi ntuliaka kwesịrị ihibe otu ndị kwụụrụ onwe ha ga na-ahụ maka igbochi na ileba anya na mbibi AI wetara n'usoro ntuliaka

Ụlọọrụ ndị na-ahazi ntuliaka kwesịrị ịdabere n'otu kwụụrụ onwe ya nke ga-arụ ọrụ na nlebara anya ụlọikpe. Ndị ọnụ na-eru n'okwu n'usoro ọchịchị onye kwuo uche ya na ụkpụrụ ntuliaka na mba ahụ kwesịrị ịkwado otu a. Ha na ndị ọrụ mgbasaozi, ọbaozi dị iche iche na ụlọọrụ ndị ọzọ kwesịrị ijikọta aka. O kwesịkwara ịgụnye ndị nnọchiteanya pati dị iche iche iji hụ na ọnọdụ gbatagbata na ụkpụrụ igbochi nsogbu bụ ndị a hụtara dịka ndị dabara adaba.

Ndị otu ahụ ga-arụ ọrụ n'oge ntuliaka nakwa mgbe enweghị ntuliaka iji hụ na e lebara anya na mwakpo ndị a na-eme ọchịchị onye kwuo uche ya. Ha ga-ahụ na emebere usoro nleba anya maka iyi egwu AI n'oge ntuliaka. Usoro nleba anya ahụ ga-ewepụta usoro nnwale doro anya, oke na ọrụ, usoro nzirịtaozi nakwa ihe ndị ọzọ. Usoro a ga-agbaso atụmatụ ndị e wepụtara iji lebara ọnọdụ gbatagbata anya dịka nlekọta ọnọdụ gbatagbata nke ahụike ihe ọdachi ụwa na nchekwa ịntaneetị bụ ndị nọọrọ na mbụ tinye ụkpụrụ ịdọ aka na ntị, usoro izipụ ozi, mkpughe ọnọdụ, nkwekọrịta nkesa ozi na otu ndị na-aza oku ngwangwa.

Ndị niile ọnụ na-eru n'okwu na ngalaba mgbasaozi na ịntaneetị kwesịrị itinye aka n'itinye ụkpụrụ ịza oku ahụ n'ọrụ iji belata mfesa mwakpo ma mee ka ụmụ mmadụ mụrụ anya.

Ụlọọrụ ndị na-ahazi ntuliaka kwesịrị ihazi ihe omume ndị ga-eme ka ndị ọnụ na-eru n'okwu ghọta etu e nwere iji zipụ AI ma were ya rụọ ọrụ, chọpụta ma nwalee atụmatụ ịza oku nakwa nzaghachi ndị gbara ọkpụrụkpụ, ma chọpụta ịda mba ndị ọjọọ nwereike ijigide aka.

Usoro ịza oku ahụ ga-eleba anya n'ikike nke mmadụ iji gbochie iyi egwu ọbụla maọbụ iji chịkọta ngosipụta mmasị maka otu ndọrọndọrọ ọchịchị ọbụla.

***Iji hụ na e gbochiri mbibi niile AI na-ebute ma hụkwa na e nyere ndị ọnụ na-eru n'okwu na ntulikaka ọzụzụ gbasara AI na nchekwa ịntaneetị.***

## Ihe aka mgba nke anọ

# Ịgwa aka na ntuliaka site na nkwado AI na-abụ site n’aka ndị mmadụ zoro onwe ha oge ụfọdụ

Ọdịdị ọtụtụ mwakpo e ji AI eme n’oge ntuliaka na-akọwa ihe mere o ji siere ụmụ mmadụ ike ilebara ha anya nke ọma n’onwe ha. Nsogbu a na-amụba site n’ọnọdụ akụ na amamịhe dị n’etiti gọọmenti dị iche iche, dịka ụfọdụ nwere ndị ọkachamara, ngwaọrụ, akụnụba maọbụ akụrụngwa a chọrọ iji chọpụta ma buo agha megide mwakpo e ji AI eme n’oge ntuliaka nke ọma.

Ọ bụrụ ma ewepụtaghị ụkpụrụ ga-adabara mbaụwa niile, ọ ga-abụ ihe rara ahụ ijide ndị na-akpa arụ arụ ahụ n’ihi ndịiche n’usoro ikpe, ikike nnyocha na okeala.

Obodo ndị na-agbaso usoro ọchịchị onye kwuo uche ya kwesịrị ịhụta na mwakpo e mere out mba bụ mwakpo megide usoro jikọtara ọchịchị onye kwuo uche ya niile.Ọ dị mkpa ijikọta zọpụ njem iji chekwaa ọchịchị onye kwuo uche ya, kwalite ntụkwasịobi ụmụ mmadụ ma hụ na e jigidere ntụkwasịobi ntuliaka gburugburu ụwa.

## Ihe anọ a ga-eme

# Gọọmenti mba dị iche iche kwesịrị ihibe ndị nchekwa ntụkwasịobi AI n’oge ntuliaka gburugburu ụwa iji nye aka n’ikpe ndị metụtara iji AI gwaa aka na ntuliaka

Mba dị iche iche kwesịrị ihibe otu na ngalaba dị iche iche iji mụta gbasara ma zasoo ọnọdụ ndị metụtara ịgwa aka na ntuliaka ndị e ji AI mee: International AI Electoral Trustkeepers.

Nke a ga-agụnye ndị ọkachamara na ụlọọrụ dị iche iche ndị ga-ahụ maka ịchọpụta, ibu agha na igbochi ịgwa aka na ntụliaka e ji AI mee. Ha ga-arụ ọrụ dịka ngwa teknụzụ maka mba ndị a pụrụ iji AI wakpoo n’oge ntuliaka.

Ha ga-arọpụta enyemaka, ngwaọrụ na mgbakọaka ndị a chọrọ iji zute iyi egwu ntuliaka. International AI Electoral Trustkeepers ga-enyekwa nkwado n’oge nsogbu site n’izipụ otu na-aza oku ngwangwa ka ha gaa nye aka n’oge ntuliaka.

Nkepụta International AI Electoral Trustkeepers nwereike pụta n’ime maọbụ dabere n’atụmatụ ndi ebumnobi ha bụ ịrọpụta enyemaka n’oge ntuliaka maọbụ ichekwa mba dị iche iche na mmetụta ọjọọ nke AI. Ịmaatụ e nwere ike mee atụmatụ ịrọpụta akụrụngwa AI ọlọrọọhụrụ (ọmụmaatụ ndị ọkachamara nchereoge maọbụ ndị ọkachamara ga-adịgide) maọbụ mgbasiike (ọmụmaatụ, teknụzụ maọbụ ngalaba ikpe) nye ngalaba UN bụ Electoral Assistance Division,[9] nke ga-enyere mba ndị so n’otu ahụ aka ịhazi ntuliaka ndị ga-egosipụta ọchịchọ obi ụmụ mmadụ.E kwesịrị inye ụlọọrụ Network of AI Safety Institute ohere ka ha zuo ndị nchekwa ntụkwasịobi ntuliaka ma zipụkwa ha gburugburu ụwa maka ọrụ ndị a kpọrọ aha.

Ọ bụrụ ma achọọ enyemaka ndị ọkachamara, ndị nọ na ngalaba nkịtị nwereike kwadoo International AI Electoral Trustkeepers, dịka AI and platform of companies ndị na-ahụ maka Tech Accord iji buo agha megide ịgwa aka na ntuliaka e ji AI eme.[10]

Ọ ga-adịkwa mkpa ịdabere n’enyemaka ngalaba ikpe maka inyocha na ikpe ikpe ndị metụtara iji AI gwaa aka na ntuliaka dịka nke a ga-enye aka kwalite mgbakọaka na-agaghị enwe mkpọbiụkwụ site n’aka ndị ọnụ na-eru n’okwu n’obodo, ọ ga-enyekwa aka ịchịkọta na ikesa ihe akaebe si na mba dị iche iche ma hụ na ndị ji AI agwa aka na ntuliaka na mba dị iche iche agaghị e ji maka mba ha nọ n’ime ya gbanarị inye ngụkọ.

Ụdị atụmatụ dị etu ahụ enyelarị aka zute nsogbu ihe aka mgba ịnọ na mba ọzọ akpa arụ ntuliaka na ikesa ihe akaebe dịka agha a na-ebu megide ịkpa arụ ịntaneetị, nrụrụaka dijitaalụ, iyi ndụ egwu, mpụ a haziri ahazi, ibibi ikike nke mmadụ na mpụ agha.

***E kwesịrị inwe nkwụbaakaọto n’usoro mbaụwa ndị a iji hụ na e chekwara ikike nke mmadụ.***

# Mmechi

Mmetụta AI nwere n'ọchịchị onye kwuo uche ya abụghị nke a pụghị ịgbanwe.

Dịka nchọcha a lebara anya n'ihe izendụ, AI nwereike ime ka ọchịchị onye kwuo uche ya sikwuo ike. Ndị na-ahazi ntuliaka nwereike iji ngwaọrụ AI iji lebara ọtụtụ ọrụ anya nke ọma. Ngwaọrụ ndị a pụrụ ime ka ịtụ vootu dị mfe ma kwalitekwa ohere ndị mmadụ nwere isonye na ntuliaka. Iji maa atụ, n'oge ntuliaka Pakistan nke afọ 2024 butere esemokwu, AI mere ka pati na-agba ọchịchị ụkwu a tụrụ onyendu ya mkpọrọ zigara ndị ga-atụ vootu ụdaolu ma chịkọta ha n'agbanyeghị mmachi niile.[11] Iga n'ihu, ndị na-akpọ oku maka ọchịchị onye kwuo uche ya kwesịrị itule etu AI pụrụ isi kwalite usoro ọchịchị onye kwuo uche ya.

Ugbua, ọ bụ eziokwu na isi sekpụ ntị bụ ichekwa ọchịchị onye kwuo uche ya pụọ n'iyi egwu: ndị ekperima, ma ndị nọ n'ụlọ ma ndị nọ n'ama, na-eji AI eme ajọ ihe.

Nke a chọrọ ka e mee ihe n'ogogo abụọ

N'ime mba dị iche iche, gọọmenti kwesịrị imegharị iwu ha, otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche kwesịrị ịgbakọta aka ebe ndị na-ahazi ntuliaka kwesịrị ijikere maka nchekwa ọchịchị onye kwuo uche ya megide ndị ahụ pụrụ imetọ AI.

N'etiti mba dị iche iche, mgbakọaka dị oke mkpa. E nweghị mba pụrụ igbo nsogbu AI n'onwe ya. Mba dị iche iche kwesịrị ijikọta iwu ha gbasara iji AI gwaa aka na ntuliaka. Nke a ga-ewulite nchekwa ụmụ mmadụ ma mee ka onye niile nwee nchekwa megide mbọ imetọ ọchịchị onye kwuo uche ya n'ụwa dum.

Site n'itinye atụmatụ ndị a n'ọrụ taa, anyị ga-ekepụta usoro ọchịchị onye kwuo uche ya gbasiri ike, nke ga-agunye onye niile nakwa nke kwesịrị ntakwasịobi maka echi.

## Ihe ndị e kwesịrị iribeama


1. E bipụtara edemede a n'asụsụ Bekee n'okpuru aha "AI in the Ballot Box". A tụgharịrị ya n'asụsụ Igbo site n'aka Ugorji Chinonso Promise nke ụlọọrụ BBC News Igbo.
2. Farrugia, B. (26 Nọvemba 2024). Brazil's electoral deepfake law tested as AI-generated content targeted local elections. DFRLab. https://dfrlab.org/2024/11/26/brazil-election-ai-deepfakes
3. For more information on how AI presents serious concerns for the safety of women, see: United Nations Educational, Scientific and Cultural Organization. (2023). Technology-facilitated gender-based violence in an era of generative AI (World Trends in Freedom of Expression and Media Development Series). https://unesdoc.unesco.org/ark:/48223/pf0000387483
4. Harward, C. (6 Disemba 2024). Likely Kremlin-backed election interference against Romania threatens Bucharest's continued support for Ukraine and NATO. Institute for the Study of War. https://understandingwar.org/backgrounder/likely-kremlin-backed-election-interference-against-romania-threatens-bucharests
5. RFI. (23 Ọgọst 2023). Élections au Gabon: polémique après des enregistrements supposés de candidats de l'opposition. RFI. https://www.rfi.fr/fr/afrique/20230823-%C3%A9lections-au-gabon-pol%C3%A9mique-apr%C3%A8s-des-enregistrements-suppos%C3%A9s-de-candidats-de-l-opposition
6. Palta, R., Angwin, J., & Nelson, A. (27 Febụwarị 2024). How we tested leading AI models performance on election queries. Proof. https://www.proofnews.org/how-we-tested-leading-ai-models-performance-on-election-queries; Impelli, M. (31 Ọktoba 2024). Voting rights groups warn about AI generating unfounded claims in Spanish. Newsweek. https://www.newsweek.com/2024-election-spanish-latino-voters-artifical-intelligence-concerns-1978170; Ott, H., & Lyons, E. (25 Juun 2024). ChatGPT gave incorrect answers to questions about how to vote in battleground states. CBS News. https://www.cbsnews.com/news/chatgpt-chatbot-ai-incorrect-answers-questions-how-to-vote-battleground-states
7. Stockwell, S., Hughes, M., Swatton, P., & Bishop, K. (2024). AI-enabled influence operations: the threat to the UK general election. CETaS Briefing Papers. https://cetas.turing.ac.uk/sites/default/files/2024-05/cetas_briefing_paper_-_ai-enabled_influence_operations_-_the_threat_to_the_uk_general_election.pdf
8. Kaye, R. (5 Eprel 2023). Australian mayor readies world's first defamation lawsuit over ChatGPT content. Reuters. https://www.reuters.com/technology/australian-mayor-readies-worlds-first-defamation-lawsuit-over-chatgpt-content-2023-04-05
9. United Nations Department of Political and Peacebuilding Affairs. (2023). 2023 factsheet: electoral assistance. https://dppa.un.org/sites/default/files/electoral_assistance.pdf
10. AI Elections Accord (16 Febụwarị 2024). A tech accord to combat deceptive use of AI in 2024 elections. https://www.aielectionsaccord.com/uploads/2024/02/A-Tech-Accord-to-Combat-Deceptive-Use-of-AI-in-2024-Elections.FINAL_.pdf
11. Zhuang, Y. (11 Febụwarị 2024). Imran Khan's 'Victory Speech' from jail shows A.I.'s peril and promise. The New York Times. https://www.nytimes.com/2024/02/11/world/asia/imran-khan-artificial-intelligence-pakistan.html

## Atụmatụ Global Policy Briefs on AI

**Atụmatụ Global Policy Briefs on AI initiative bụ nke IVADO bụ ngalaba nchọcha AI mbụ nke Canada na mahadum Université de Montréal, na AI + Society Initiative nke University of Ottawa, jikọtara aka na-eme nke ebumnobi ya bụ ịrọpụtara ndị ọnụ na-eru n'okwu ero ndị ha ga-eji leba anya n'ihe aka mgba AI ndị dị ugbua.**

N'agba nke mbụ, ndị ọka nkụzi bụ Catherine Régis na Florian Martin-Bariteau kpọkọtara otu ndị ọkachamara na-ahụ maka AI n'akụkụ ụwa dị iche iche iji wepụta atụmatụ mbaụwa pụrụ iji leba anya na mmetụta AI n'ebe ọchịchị onye kwuo uche ya na ntụkwasịobi ntuliaka nọ. A haziri nchịkọtaozi ahụ n'isochi nzukọ were otu izuụka ndị Società Italiana per l'Organizzazione Internazionale (SIOI) lere ọbịa na Rome dị na mba Italy n'ọnwa Disemba 2024. E dere ya site na nkwado Réjean Roy bụ onye ntụziaka maka amamịihe na nchịkọta n'ụlọọrụ IVADO.

*Di A badigere nchọcha a site na ntụnyeoke Fonds de recherche du Québec, CEIMIA, the Canada CIFAR Chair in AI and Human Rights at Mila nakwa mahadum University of Ottawa Research Chair in Technology and Society, tinyekwara enyemaka Délégation du Québec à Rome and SIOI maka ịhazi ọgbakọ ahụ.*

*Ucheobi niile e gosipụtara n'akwụkwọ a bụ sọọsọ nke ndị odee.*



**Catherine Régis** bụ ọkankuzi okwu iwu na mahadum Université de Montréal ma bụrụkwa onye ntuziaka na ngalaba Social Innovation and International Policy nke ụlọọrụ IVADO. Dịka onye ọkachamara n'ọchịchị AI, o sokwa bụrụ onye ntuziaka nke ihe omume nchọcha n'ụlọọrụ AI Safety Institute nke mba Canada ma jidekwa Canada CIFAR Chair na ngalaba AI na ikike nke mmadụ na Mila.



**Florian Martin-Bariteau** bụ onyeisi nchọcha na ngalaba Technology and Society ma bụrụkwa onye ọkankuzi nchereoge na ngalaba iwu na mahadum University of Ottawa, bụ ebe ọ nọ n'isi AI + Society Initiative and the Centre for Law, Technology and Society. Ọ bụ onye otu Berkman-Klein Center na mahadum Harvard University.



Onye ọkankuzi nchereoge n'ụlọakwụkwọ Lincoln Alexander School of Law dị na Toronto Metropolitan University, **Jake Okechukwu Effoduh** na-ahụ maka iwu AI na ikike mmadụ na mbaụwa. Ọ na-atụnye oke maka mwulite usoro a ga-eji were AI mee ihe na mba dị iche iche ma nọrọkwa n'isi nchọcha ndị gbapụtara ihe gbasara Canada na Afrịka.



**Juan David Gutiérrez**, onye ọkankuzi nchereoge na mahadum University of the Andes dị na Bogotá, na-eleba anya nihe jikọtara atụmatụ ọhanaeze na teknọlọjị. Dịka onye ọkachamara so n'otu Global Partnership on Artificial Intelligence (GPAI), o sokwa nọrọ n'isi atụmatụ 'algorithmic transparency project.



**Gina Neff** bụ ọkankuzi na-ahụ maka AI na mahadum Queen Mary University of London ma nọrọkwa n'isi ngalaba Minderoo Centre for Technology and Democracy na mahadum University of Cambridge. Nchọcha ya na-eleba anya na mmmetụta gburugburu dijitaalụ nwere n'ọrụ nakwa obibi ndụ.



Onye ọkachamara n'okwu iwu nke lekwasara anya n'iwu dijitaalụ, **Carlos Affonso Pereira de Souza** nọ n'isi ngalaba Institute for Technology and Society n'ụlọakwụkwọ Rio de Janeiro. Dịka ọkankuzi na ngalaba iwu na teknọlọji, ọ tụnyela oke maka mwulite ịntaneetị mba Brazil na iwu ndị na-echekwa data.



Onye ọkankuzi iwu ndị nkịtị na mahadum Université Paris 1 Panthéon-Sorbonne, **Célia Zolynski** bụ ọkachamara n'iwu dijitaalụ na nchekwa amamịihe. Dịka onye nchịkọta AI Observatory na Paris 1, ọ lekwasara anya na nchịkọta AI nakwa ikike nke mmadụ.

Atụmatụ nke ndị jikọtara aka hazie ya bụ

IVADO

uOttawa | Initiative IA + Société / AI + Society

Site na nkwado

Fonds de recherche Québec

CIFAR

ceimia

A haziri ihe omume a site na nkwado Canada First Research Excellence Fund.